جمعية خدمة المحتوى الإسلامي باللغات

# Islam bụ okpukpe nke ndị ozi Chukwu (udo dịrị ha niile)

Igbo

إيجبو

الإِسْلاَمُ دِينُ رُسُلِ اللهِ

Kọmitii Mmụta
nke Otu na-ahụ maka Ọrụ Ndinaya
Okpukpe Islam n'Asụsụ Dị Iche Iche

الإِسْلَامُ دِينُ رُسُلِ اللَّهِ

# Islam bụ okpukpe nke ndị ozi Chukwu (udo dịrị ha niile)

اللَّجْنَةُ العِلْمِيَّةُ
بِجَمْعِيَّةِ خِدْمَةِ المُحْتَوَى الإِسْلَامِيِّ بِاللُّغَاتِ

بِسْمِ اللهِ الرَّحمَنِ الرَّحِيمِ

# Islam bụ okpukpe nke ndị ozi Chukwu (udo dịrị ha niile)

Islam bụ inyefe onwe nye Chukwu, Onye kere eluigwe na ala na Onye na-achịkwa ya, na irubere Ya isi n'ịhụnanya na nsọpụrụ. Ntọala Islam bụ inwe okwukwe na Chukwu, na ọ bụ Ya bụ Onye Okike na ihe ọ bụla ọzọ na-abụghị Ya bụ ihe e kere eke, na ọ bụ Ya kwesịrị ofufe naanị Ya, n'enweghị onye òkè. Ọ dịghị onye kwesịrị ofufe n'eziokwu ma e wezụga Ya. Ọ bụ Ya nwe aha kachasị mma na àgwà kachasị elu, na Ọ nwere izu oke kpamkpam n'enweghị ntụpọ ọ bụla. Ọ mụghị nwa, a mụghịkwa Ya, ma ọ dịghị onye ya na Ya ha nhata ma ọ bụ yiri Ya. Ọ naghị ebi n'ime ma ọ bụ were ọdịdị nke ihe ọ bụla n'ime ihe O kere eke.

Islam bụ okpukpe nke Chukwu Onye kachasị elu, nke Ọ na-adịghị anabata okpukpe ọ bụla ọzọ n'aka ndị mmadụ ma e wezụga ya. Ọ bụ okpukpe nke ndị amụma niile wetara (udo dịrị ha).

Otu n'ime ntọala Islam bụ ikwere na ndị ozi niile, nakwa na Chineke zipụrụ ndị ozi ka ha zie ndị ohu Ya iwu Ya ma zidatakwara ha akwụkwọ nsọ. Onye

ikpeazụ n'ime ha bụ Muhammad (udo dịrị ya). Chineke zipụrụ ya na iwu Chineke nke ikpeazụ, nke na-akagbu iwu nke ndị ozi niile tupu ya. Chineke kwadoro ya site n'ihe ịrịba ama dị ukwuu, nke kasịnụ n'ime ha bụ Qur'an dị ebube, okwu nke Onyenwe ụwa niile, akwụkwọ kachasị ebube nke ihe a kpọrọ mmadụ mara. Ọ bụ ọrụ ebube n'ọdịnaya ya, n'okwu ya, na nhazi ya. N'ime ya ka nduzi gaa n'eziokwu nke na-eduga n'obi ụtọ n'ụwa a na n'ụwa ọzọ dị. E chekwara ya ruo taa n'asụsụ Arabic nke e si wedata ya, ebe a na-agbanwebeghị ya ma ọ bụ megharịa ya, ọbụlagodi otu mkpụrụ edemede.

Otu n'ime ntọala Islam bụ ikwere na ndị mmụọ ozi, na ikwere n'Ụbọchị Ikpeazụ, ebe Chineke ga-akpọlite ndị mmadụ site n'ili ha n'Ụbọchị Mbilite n'Ọnwụ ka O wee kpee ha ikpe maka omume ha. Onye ọ bụla rụrụ ezi ọrụ ma bụrụ onye kwere ekwe, ọ ga-enweta aṅụrị ebighị ebi n'ime Paradaịs; onye ọ bụla jụrụ ikwere wee mee ajọ omume, ọ ga-enweta ahụhụ siri ike n'ime ọkụ. Otu n'ime ntọala Islam bụkwa ikwere n'ihe niile Chineke kara aka, ma ọ bụ ezi ihe ma ọ bụ ajọ ihe.

Ndị Alakụba kwenyere na Isa bụ ohu Chineke na onye ozi Ya, nakwa na ọ bụghị nwa Chineke; n'ihi na Chineke dị ukwuu, O nweghịkwa ike inwe nwunye ma ọ bụ nwa. Kama nke ahụ, Chineke gwara anyị n'ime Qur'an na Isa bụ onye amụma O nyere ọtụtụ

ọrụ ebube, nakwa na Chineke zipụrụ ya ka ọ kpọọ ndị obodo ya oku ife naanị Chineke ofufe, n'enweghị onye òkè. O gwakwara anyị na Isa arịọghị ndị mmadụ ka ha fee ya ofufe; kama, ya onwe ya nọ na-efe Onye Okike ya.

Islam bụ okpukpe kwekọrọ n'ọdịdị okike na ezi uche, nke mkpụrụ obi ndị ziri ezi na-anabata. Onye Okike dị ukwuu mere ya iwu maka ihe ndị O kere eke. Ọ bụ okpukpe nke ezi ihe na obi ụtọ maka mmadụ niile; ọ naghị akpa ókè n'agbata otu agbụrụ na ibe ya, ma ọ bụ n'agbata otu agba na ibe ya, ndị mmadụ niile hara nhata n'ime ya. Ọ dịghị onye na-aka ibe ya mma n'ime Islam ma e wezụga n'ọ̀tụ̀tụ̀ ezi ọrụ ya.

Ọ diịrị mmadụ ọ bụla nwere ezi uche iwu ikwere na Chineke dịka Onyenwe anyị, na Islam dịka okpukpe, nakwa Muhammad dịka onye ozi; nke a bụ ihe mmadụ na-enweghị nhọrọ ọ bụla na ya, n'ihi na Chineke ga-ajụ ya n'Ụbọchị Mbilite n'Ọnwụ gbasara aziza o nyere ndị ozi. Ọ bụrụ na ọ bụ onye kwere ekwe, ọ ga-enweta mmeri na nnukwu ihe ịga nke ọma; ma ọ bụrụ na ọ bụ onye na-ekweghị ekwe, ọ ga-enweta nnukwu mfu doro anya.

Onye ọ bụla chọrọ ịbanye n'okpukpe Islam ga-ekwu sị: "A na m agba àmà na ọ dịghị chi ọzọ ma e wezụga Chineke, a na m agba àmà nakwa na Muhammad bụ onye ozi Chineke," ebe ọ maara ihe

okwu a pụtara ma nwee okwukwe na ya. Site na nke a, ọ na-aghọ onye Alakụba; mgbe ahụ ọ ga-amụta iwu okpukpe Islam ndị fọdụrụ nke nta nke nta, ka o wee nwee ike mezuo ihe Chineke nyere ya n'iwu.

❊❊❊

ig364v2.0 - 23/07/2026

جمعية خدمة المحتوى
الإسلامي باللغات